# NSOGBU OLUNDỊ NA-EBUTE N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO IZUGBE: ISIALA NGWA DỊ KA EBE MGBAKWASA ỤKWỤ

**Chinwendu E. Oparah**
Department Of Linguistics and Nigerian Languages
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri

## ABSTRACT

The study examined the problem of Igbo dialects in the teaching and learning of the Igbo language in schools especially in Isiala Ngwa where the dialect is completely different from the Standard Igbo. The major problem in the Igbo language is the dialectical differences among the Igbo speakers. The purpose of the study is to find out how we can overcome all these dialectical problems in teaching and learning of the Igbo language in schools. The survey method was used and the sample comprised four hundred students drawn from four secondary schools in Isiala Ngwa. Three research questions were used to guide the study. Data were collected using a questionnaire whereas percentage was used to analyze the data. The result of the study showed that if the Standard Igbo could be well entrenched in our school system, it will go a long way in contributing to the development of the language.

## Okwu Mmalite

Obodo anyị bụ Naijirịa bụ obodo e nwere agbụrụ dị iche iche nke karịrị narị abụọ na ise n'ọnụọgụgụ, (Emenanjo 1978). N'ime agbụrụ ndị a Igbo Hausa na Yoruba kachasị wee pụta ihe. Gọọmentị ala anyị gbara mbọ iwepụta atụmatụ, mbunuuche na iwu na-achị mmụta n'ala anyị. Atụmatụ a ha wepụtara bụ mkpa ọ dị ịmụ asụsụ ala anyị, na mkpa ọ dị itinye asụsụ Igbo n'ihe ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ. Ọ ga-eme ka e nwee ezi nchekwa n'ebe omenala na ọdịnala dị. Ndị gọọmentị hụtara asụsụ ka ihe ga-eweta njikọnụ nke mba.

Asụsụ bụ ụzọ dị iche iche mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta, ma ọ bụ kwanụ asụsụ bụ ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịa ahụ n'ụzọ dị iche iche (Anozie 1999). Asụsụ bụkwa usoro okwu ma ọ bụ nhazi ụda nke otu mba maara nke ọma ma jiri ya na-ekwukọrịta okwu n'etiti onwe ha. Mbah na Mbah (2001) kọwara asụsụ dị ka ụzọ e si ezipụta mbunuuche mmadụ, mmekọrịta mmadụ ma ọ bụ ihe mmadụ chọrọ site n'ụda ma ọ bụ kwa akara ederede.

Mgbe ọbụla anyị na-ekwu okwu asụsụ ma ọ bụ nke ederede ma ọ bụ nke e deghị ede, ọ na-adị mma icheba echiche ime n'ihi na ọtụtụ ndị mmadụ ji maka na ha na-asụ asụsụ wee were asụsụ Igbo dị ka ihe nleghara anya. Ma mgbe anyị kwuwere okwu asụsụ tụmadị mgbe e ji ya akụzi ihe, anyị na-ahụ ọtụtụ aka mgba chere mmadụ n'ihu. Nke a mere Agbedo (1991) jiri sị na "asụsụ bụ tụụ dị n'isi opi na-ebe ndụ mmadụ dị". Nke a pụtara na asụsụ metụtara ihe niile mmadụ na-eme na ndụ. Agbedo (1991) gara n'ihu kọwaa na ọdịnala ndị ji biri ga-enwerịrị asụsụ, nke a pụtara na omenala enweghị ike ime ihe ọbụla ma ọ bụrụ na asụsụ akwadoghị ya. A hụrụ asụsụ dị ka onyinye Chineke nyere mmadụ, nke mmadụ ọbụla e kere eke ga-enwe ike jinwuo were kparịtaa nkata ma ọ bụ kọwapụta ihe bụ mkpa Igbo. N'akwụkwọ Stonehill na ndị ọzọ (1979) Chineke jiri ọtụtụ asụsụ tinye nsogbu n'etiti ndị Babylon, oge ha na-arụ ụlọ ga-erute elu igwe. Ndị agbụrụ a bịara gbasasịa nke wetara ọtụtụ asụsụ n'elu ụwa taa.

Ọnwụ asụsụ ọbụla na-egosi ọnwụ ma ọ bụ ofufu mba nye asụsụ ahụ, nke a pụtara na mba ọbụla hapụrụ asụsụ ha ọtụtụ oge ma ọ bụ ọtụtụ afọ site n'agbụrụ ruo na agbụrụ, sụwa asụsụ agbụrụ ọzọ, n'ezie agbụrụ ahụ agaghị amakwa asụsụ ha, nke a nwere ike ime ka icheku mba dị otu a esighị ike n'ihi na asụsụ bụ olu e jiri mara mba nke mebere mba ahụ. Ya bụ ebe olu e jiri mara ha bụ asụsụ ha, nke e zonarịrị ha, agbụrụ ọhụrụ nke mba ahụ ga-ewere onwe ha dị ka ndị mba ahụ ha na-asụ asụsụ ha. Mba ọbụla hapụrụ asụsụ ha atụfuola njirimara ha, ya bụ na anyị ga-agbasi mbọ ike ime ka asụsụ Igbo ghara ifu efu ka anyị ghara ịtụfu njirimara anyị. Ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa ilebara asụsụ anyị anya ma kwalite ọnọdụ ọbụla ga-enye ya agamniihu tụmadị ịkwalite ụmụaka anyị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Mmụta bụ mgbanwe omume ma ọ bụ mgbanwe n'ogo amamiihe mmadụ site n'ihe ọ hụrụla ma ọ bụ ọ nụrụla, maka na ọ bụrụ na mmadụ etoghị n'ogo amamihe a mara na mmụta adịghị ya.  Ya bụ mmụta ka e si agụ na ka e si ede bụ ihe kacha mkpa maka  mmụta ọpụrụiche. Ya mere nkuzi mmụta a ga-enyere ụmụ akwụkwọ niile aka inweta mgbanwe dị mma na ezi akparamaagwa. Tupu e nweta ebumnuuche ndị a, ọ dị mkpa ichepụta asụsụ bụ kpoo iji kụzie ihe n'ụlọakwụkwọ ndị dị n'ala anyị. Nchọpụta e mere na-egosi na ọ bụ n'asụsụ mmadụ maara nke ọma ka ọ na-edepụta echiche ga-aba uru. Nke a mere o jri dị mkpa iji asụsụ e jiri chee nwa ara kụziere ụmụ akwụkwọ n'afọ atọ nke mbụ n'ụlọ akwụkwọ tupu e were asụsụ mmụta ọzọ (FRN, National Policy on Education 2004).

Asụsụ ụwa niile tụmadị ndị ederede na-egosipụta na e nwere olundi na olu izugbe. Olundi bụ nke sitere n'otu obodo banye n'ibe ya n'etiti ndị na-asụ asụsụ ahụ. Ma asụsụ izugbe bụ nke ndị nwe asụsụ ahụ jikọtara aka ọnụ were chịkọta nke e nwere ike isi n'ime ya were kụziere ndị ọzọ ihe banyere asụsụ ahụ maka na mpulite ndị Igbo mere ka e nwee ọtụtụ olundi n'asụsụ Igbo, ma n'agbanyeghị ọtụtụ olundi e nwere, ndị Igbo na-aghọta onwe ha. Dị ka Emenanjọ (1985) siri kọwaa, Igbo Izugbe adabaghị n'olundi ọbụla kama ọ bụ Igbo gbadoro ụkwụ na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụ Igbo Izugbe ka e ji akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ nke onye Igbo ọbụla, n'agbanyeghị ebe o si, ga-aghọta. Igbo Izugbe gbadoro ụkwụ n'Olundi Owere, Umuahịa na Olundi Onicha. Asụsụ Igbo Izugbe bụ nke e wepụtara iji were nwee ike idepụta ma kụzie asụsụ Igbo. Ọ bụkwa asụsụ e ji achị ọchịchị n'etiti ndị Igbo. Igbo Izugbe bụ Igbo ga-eme ka ụmụafọ Igbo ọbụla, ebe ha anọla, ghọta ihe ha na ibe ha na-ekwu ma mee ka a ghara iwebata ọtụtụ olundi ga-ebute nghọtahie. Asụsụ Igbo Izugbe mere ka e nwee otu ihe jikọrọ ndị Igbo ọnụ dị ka otu obodo, mee ka mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya, ọganiihu na mmepe dị n'obodo

Dị ka mmadụ siri dị iche iche ka nghọta ha siri dị iche, nghọta ndị ọkammụta nwere banyere olundị na Igbo Izugbe dị iche iche. Ebe ụfọdụ, e nwere asụsụ dị ka olundị, ụfọdụ na-asị na olundị bụ asụsụ, ebunuche bụ na o nwere asụsụ olundị ahụ dị n'ime ya. Nke a pụtaa na Igbo Izugbe bụ isi asụsụ ndị ọzọ a na-esote ya. Ya bụ na Igbo Izugbe bụ nna ebe olundị dị iche iche dị n'ime ya bụ ụmụ ya, ihe ọ pụtara bụ na ọ bụrụ na e nweghị Igbo Izugbe agaghị enwe olundị, (Oparah 2009). Nwaozuzu (2005) n'aka nke ya kọwara n'ime akwụkwọ ọ na-ebipụtaghị n'olundị bụ ndịiche dị n'otu asụsụ na mgbasa obosara ala, dị ka o siri metụta ndị na-asụ asụsụ ahụ. Ndị Igbo nwere agbataobi ma agbataobi ndị a niile nwechara asụsụ nke aka ha bụ nke na-abanye n'asụsụ Igbo ndị ahụ bidebere ha wee na-agbanwo. Nke a were na-ebute olundi dị iche iche n'olu asụsụ ahụ bụ asụsụ Igbo.

Olundi dị mkpa dị ka Oruchalu (1987) siri kọwaa na mgbe ochie na mmadụ ebikọtaghị ọnụ, ha gbasara agbasa, ndị ọbụla nọrọ ebe ha bi ma mepụta asụsụ Igbo nke ha ọ dịtụ iche na nke ndị ọzọ ma ha jiri ya na-akparịta ụka. Oruchalu gara n'ihu kọwapụta na e nwere ndịiche n'olu na mkpụrụokwu n'ahịrịokwu, n'ụdaume na mgbochiume. Nke sitere n'ụdaume na

mgbochiume e ji mebe mkpụrụokwu. Ọ bụ ya na-eme ụmụ akwụkwọ Isiala Ngwa anaghị aghọtacha Igbo Izugbe oge e ji ya akụziri ha asụsụ Igbo.

Nwadike (1998) kọwara na n'afọ 1930 na Rome, otu a na-akpọ International Institute of African Language and Culture kwuru na mkpebi ya sị 'nwata tosiri ịmụta inwe ịhụnanya na nsọpụrụ ọdịnaala obodo ya. Ụzọ kachasị mma ime nke a bụ site n'ịsụ asụsụ ala ya'. Ọzọkwa na 1977, Gọọmenti etiti Naịjirịa tiri ya dị ka iwu na Igbo so n'asụsụ na-eme mba ka ọ bụrụ ihe ọ bụ. Mba na-enweghị asụsụ nke ya, atụfuola ejirimara ya. Mba ọbụla, nke na-asụ asụsụ mba ọzọ ma ọ bụ kwere ka asụsụ ya nwụọ, mba ahụ abụrụla ozu nke na-enweghị ike ịgba ulu. Omenala mba ọbụla nke asụsụ ya nwụrụ anwụ na-ekpochapụ daa mmiri (Okoro 2004). Ọ bụrụ na mba ọbụla achọọ ka o nwee ihe jikọrọ ya na agba ochie ha, ha aga echekwawa asụsụ ha. Asụsụ ga-ewuru naanị mgbe a na-akụzisi ya ike n'ụlọ akwụkwọ. Mana naanị ịsụ ya asụ ezughị. Ọ bụrụ na e deghị ya ede, desie ya ike n'akwụkwọ, ọ ga-anwụkwa (Okoro 2004).

Mgbe anyị na-ekwu maka ịzụlite nwata, ebumnuuche ịzụlite ya n'iche ezi echiche, ọ na-eche echiche n'asụsụ ọ maara nke ọma, ya bụ na ọ bụrụ na echiche nwata ga-eguzoro chịm ọ ga-ebu ụzọ bido iche echiche ya n'asụsụ nne jiri chuo ya ara. Ọ bụrụ na onye nkuzi ebido n'ụtụtụ mee ka nwata bido iche echiche na Bekee, ntolite nwata ahụ n'ebe amamiihe ya dị enweela ọdachi ya bụ, onye nkuzi ga-agba mbọ bido n'ụtụtụ kuziwere nwata asụsụ Igbo, hapụ iche na-ebe ọ bụ onye Igbo ịkụziri ya asụsụ Igbo abaghị uru. Ya chetakwa na nwata amụtabeghị asụsụ ya, oge e tinyere n'ịkụziri ya asụsụ Igbo alaghị n'iyi.

Onye nkuzi ga-echeta na e tozuo etozuo a bụrụ dike, na ndị ọcha, ndị Yoruba, ndị Awụsa dgz. na-asụta Bekee, Yoruba ma ọ bụ Awụsa maara n'otu n'otu na sitere n'uchu ha tinyere n'ịmụ asụsụ ha ga-amuta ya nke ọma. ya bụ na, onye chọrọ ka ụmụ ya mụta asụsụ Igbo nke ọma ga-agba mbọ tinye uchu kụziere ha nke ọma. Onye nkuzi tosịrị ịmata na mgbe nwata bịara ụlọ akwụkwọ izizi kpọpụta okwu ya, ụdaokwu ya na ndebaolu ya richara mperi. Asụsụ ha riri mperi jupụtara na mkpọbiri okwu asụsụ na-ada aja aja na ntị. N'ihi ihe ndị a e tosiri ịkụziri ha Igbo nke ọma. Nkuzi bụ ọrụnka, n'ihi ya, onye nkuzi na-akụzi asụsụ Igbo ga-eji nka. Nke a pụtara na e nwere ihe ndị a tụwara anya ya na onye nkuzi ga-emeteli nke ọma. Dị ka Ohiri-Aniche (2004) kọwara na ihe mbụ a tụrụ anya n'aka onye nkuzi Igbo bụ na asụsụ Igbo ọ na-asụ ga-abụ ọkpọọchị Igbo. Onye nkuzi na e meteghị nke a, olee ihe ọ ga-ekwu ya nyefere ndị ọ na-akụziri n'aka ya?

Ọ ga-abụ onye nwere ike ịgụ na ide asụsụ Igbo nke ọma. Ọ bụrụ na ike adịghị ya n'ime ihe ndị a dị ka a tụrụ anya, ọ gaghị enwe ike kpalite mmụọ ma mmasị ndị ọ na-akụziri. Mgbe nke a mere, mkpebi ụmụ akwụkwọ ya ga-abụ na onye nkuzi amaghị ihe ọ na-akụzi. Onye nkuzi Igbo tosịrị ịbụ onye nwere ike ịkụzi ihe n'ụzọ ọ ga-esi bamie na nghọta ndị ọ na-akụziri site n'iwebata ọmụmaatụ n'ọgbara ọhụrụ dị na nkuzi. Ọ ga-esite n'ihe ndị ụmụaka maara baa n'ihe ndị ha amaghị, site n'ihe ndị dị mfe gaa n'ihe ndị tara akpụ, site na nhụrụnanya gaa na nhụrụnuche. Ọ ga-abụ onye nwere ike site na gburugburu ebe ọ na-akụzi na ka ihe siri kwụrụ mee ka nkuzi ya daba. Ezigbo onye nkuzi asụsụ Igbo abụghị onye ga-eji naanị ihe ndị dị n'obodo ọzọ ma ọ bụ na-eme na ya amara ụmụaka ya atụ ihe ọ na-akụzi. Ọ ga-ama ihe ndị ga-ebute ụzọ, ihe ga-esote ya, ihe ndị ga-adị na njedebe n'ihe ndị ọ na-akụzi. Nka onye nkuzi so metụta inwe ike wekọta ngwa nkụzi ya, webata ha ebe ha kwesịrị.

Asụsụ Igbo dị mkpa na ndụ ndị na-etolite etolite. Nke okenye nakwa na ndụ ọha obodo. Na ndụ nwa ọhụrụ, ọ bụ asụsụ mbụ nne na nna, ụmụnne, na mmadụ ndị ọzọ dị na gburugburu ji akpanyere ya nkata nke mere na ọ bụ ya ka nwata ji enwe mmekọrịta izizi na ndụ ya. Nke ọzọ, ọ bụ asụsụ e ji egwuso ya egwu, akpa ya ọchị, agụgụ ya oge ọ na-ebe akwa nke mere na ọ bụ asụsụ izizi nke mmetụtaobi ya. A gakwaghị echefu, na asụsụ mbụ a ka e ji akụziri nwata ihe izizi ndị ọ na-amụta. Ya bụ, na ndụ nwa ọhụrụ, asụsụ nne na ihe atọ ndị a dị mkpa na

ahụhịkata ọnụ ha bụ, mmekọrịta ya na mmadụ ibe ya, mpulite mmetụtaobi ya na mpulite amamihe ya. Ka nwata na-etolite, asụsụ nne ya na-enyere ya aka n'ịmụtawanye ihe, nakwa na ntolite ụbụrụ na echiche ya, ọ na-aga n'ihu bara nwata uru dị ka ngwa ya na nne na nna, ụmụnne, ndị enyi, ikwu na ibe na ndị ọzọ ji enwe mmekọrịta.

Forth (1970) na-echetakwara na asụsụ nne na-arụkwa ọrụ pụrụ iche na nduba na ngwakọrịta nwata n'ime ndụ ọhaobodo nke a mụrụ ya n'ime ya. N'iji maa atụ, ọ bụ site n'asụsụ nne ka nwata ji amụta maka ọhaobodo ya, omenala na ewumewu ha, ụmara na mbamụrụ, agụgụala, uri na egwuruegwu, akụkọ ifo, ọrụ, ahịa na ihe ndị ọzọ dị mkpa n'ọhaobodo ya. Na ndụ okenye asụsụ Igbo na-aga n'ihu na-adị mkpa n'ụzọ ndị a:

- Ihe ya na mmadụ ndị ọzọ ji ekwurịta okwu
- Ihe o ji enwe mmekọrịta ya na ndị ọzọ dị ka ọrụ, ahịa, ofufe, isonye n'otu dị iche iche
- Ihe o ji eche echiche
- Ihe o ji ekwupụta uche ya.
- Ihe o ji egosipụta ekere uche ya dị ka site n'arọmarọ akụkọ, egwu, uri dgz.
- Ihe o ji egosipụta mmetụtaobi ya
- Ihe o ji amụtawanye ihe na ndụ ya, nakwa jiri ya na-akụziri ụmụ ya na ndị ọzọ ihe.

E wezụga mkparịtaụka, a ga-asị na uru kachasị mkpa nke asụsụ nne bara bụ ịrụ ọrụ dị ka njirimara mmadụ. Onye ọbụla na-enweghị ike ikwusi ike onye ebe ọ bụ, bụ onye na-enweghị ebe ọ gbanyere mgbọrọgwụ. Dị ka osisi na-enweghị mgbọrọgwụ, onye ahụ agaghị enwe ike ikwụsị ike na ndụ ya. Etu asụsụ nne jiri dị mkpa na ndụ mmadụ kpatara na otu onye fịlọsọfa a na-akpọ Dante n'oge gboo kwuru na:

> Asụsụ ala nna mmadụ bụ nke nọketere ya nso karịchaa,
> ebe ọ bụ asụsụ nke ya na onye ahụ jikọtara ọnụ karịchaa,
> maka naanị ya bụ nke dị ya n'obi, tupu asụsụ ndị ọzọ.

A bịazie na ndụ ọhaobodo, a ga-ahụ na asụsụ nne na-abara ha uru dum ndị e kwurula banyere nwata na okenye, mkparịtaụka, mmekọrịta, dg. Ma ọ na-agakwa n'ihu na-abara obodo uru ndị ọzọ a:

- Nchekwa omenala na ewumewu ha
- Ihe ha ji enyefega omenala na ewumewu ha site n'otu ebiri ruo nke ọzọ
- Ihe e jiri mara ndụ ọha na ihe ha jiri mara onwe ha (dịka isi na ha bụ Ndịigbo).

Dị ka e kwurula mkpa ọ dị mmadụ ọbụla inwe ike ịkọwa onye ya bụ, otu a kwa ka ọ dị mkpa na ndị ọhaobodo ọbụla ga-aghọta ma nabatakwa onwe ha; ndị ọbụla na-enweghị ike ime etu a bụ ndị ọ na-agaghị ete aka ekpochapụ ha n'ụwa, ya bụ asụsụ Igbo bụ mgbọrọgwụ jidesiri ọhaobodo ọbụla ike n'ala, ịhụ na ha kwụ chịm na ndụdụgandụ.

## Ka Ndị Ngwa Siri Malite

Ngwa bụ obodo dị na ọdịda anyanwụ nke Abịa Steeti nke dị n'etiti Aba, Ụmụahịa, Mbaise, Etchee na Ụkwa. Dị ka Oluikpe (1976) siri kọwaa, ọtụtụ mmadụ hapụrụ obodo ha bụ Ụmụnọha nke dị n'Owere ebe ha na-achọ ala dị mma maka ọrụ ubi. Mgbe ha pụtara n'akụkụ obere mmiri, ha kwụsị ka ha rie nri, ka ha nọ na-akwado nri ahụ, ụfọdụ n'ime ha asị ka ha sie ji nke ha esie, ebe atọ ndị nke ọzọ sịrị ka ha hụọ ji nke ha ahụọ. Mgbe ha nụrụ oke ụzụ na abịa ebe ha nọ, ndị nke siri ji nke ha esi erie ji nke ha ọsịịsọ wee gafee mmiri ahụ. Ndị nke

ọzọ na-akpacha ji nke ha, ọsịịsọ mmiri ahụ etojuo nke na ha e nweghị ike ịgafe, enwekwaghị ụgbọ mmiri dị oge ahụ. Ndị nke gafetere mmiri ahụ ana akpọ ndị nke ọzọ Ọhụhụ nke pụtara ndị na-ahụ ji ebe ndị nke nọ n'azụ na-akpọ ndị gafetere mmiri Ngwa nke pụtara ngwangwa, otu a ka e si nwee obodo a bụ Ngwa na Ọhụhụ. Oluikpe gara n'ihu kọwapụta na Ngwaukwu chọpụtara ala Ngwa nke na-echetere anyị ihe mere oge ha gafere mmiri. Ngwaukwu, Nwoha na Avọsị si Ụmụnọha dị n'Owere ebe ha na-achọ ala ga-emepụta nri. Tupu ha erute ala Ngwa, ebe mbụ ha kwụsịrị bụ Ọkpala Ngwa si ya rute Avosi na Nwoha. Ka ọ dị ugbu a, e nwere obodo dị iri atọ na atọ na ogbe karịrịrị narị anọ na iri abụọ n'ala Ngwa taa.

## Nsogbu Nchọcha

Dị ka Okoro (2004) siri kọwaa, asụsụ Igbo nọ n'usoro mmepe, nsogbu kacha nsogbu asụsụ Igbo nwere bụ na ọ ka nọ n'obodo na-emepeghị emepe. Ya bụ na ma ndị nkuzi ma ndị ọmụmụ asụsụ a nwechara nhụsi anya niile asụsụ na mmepe obodo na-enwe. N'ihi nsogbu nke mmepe asụsụ Igbo nwere, ndị Igbo asụsụ Igbo na-anụ ọkụ n'obi ọkachasị ndị nke gụrụ akwụkwọ dị n'ala Igbo jikọtara onwe ha ọnụ site n'otu a na-akpọ odenigbo na otu ndị ọzọ ebumnuche ha bụ ịkwalite asụsụ na omenala Igbo.

O kwere nghọta na Olu Ngwa metụtara asụsụ Igbo Izugbe aka nke ukwuu. Nke a bụ ihe sitere n'ọtụtụ ihe tụmadụ n'aka ndị nne na nna, ụmụ akwụkwọ, ndị odee, ndị mbipụta akwụkwọ, ndị mgbasa ozi na ọha Igbo gbaa gburugburu. Ọtụtụ ndị nkuzi na-ejikwa olundị ha were enye ụmụaka ntụziaka ihe ha ga-eme. Iji maa atụ, onye nkuzi gwara ụmụ akwụkwọ ya ka ha gaa dee ihe ọ kụziri na klaasị nke e dere na mgbo odee ma kama onyenkuzi ga-ekwu ya n'olu Izugbe, o jiri olu be ha wee sụọ ya. Nke a mere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ aghọtaghị ihe ọ na-ekwu. Ọ sịrị ha "Jeenụ kọpịma nootu ahụ dị n'ezeeje' kama ọ ga-asị ha Gaanụ kọpịa nootu dị na mgbo odee". Ọtụtụ ndị nkuzi na-ejikarị olundị ndị a were akụzi ihe

Site na nhụju anya onye nchọcha dị ka onye nkuzi, ọ chọpụtakwara na itinye ndị nkuzi na-amaghị nke ha riri so na nsogbu na-echere nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo aka mgba. Ọzọkwa ịkpọta ndị nkuzi sị ha kụziere ndị ha, na-emekwa ka olundị na-abata n'asụsụ ha. N'ihi na ihe ọ sọrọ mmadụ mara asụsụ, olundị ha ga na-emetụtakwa ya mgbe ọ na-akụzi ihe. Nke a mere itinye ndị nkuzi si n'otu ebe na-asụ otu olundị abụghị ihe kacha mma na nkuzi.

## Ebumnuche Nchọcha

Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya na nsogbu asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dị n'Isiala Ngwa. Mbunuche a gbadoro ụkwụ n'ileba anya na:

1. Ịchọpụta nsogbu dị iche iche olundị na-ebute na nkụzi asụsụ Igbo.
2. Ịmata ma oge e wepụtara ezuru ikuzi asụsụ Igbo.
3. Ịchọpụta ma ụlọ akwụkwọ enwekwara ndị nkuzi maara ihe ekwe na-akụ na nkuzi asụsụ Igbo.

Iji mejupụta ebumnobi ndị a, onye nchọcha chọrọ ọsisa ajụjụ ndị a.

## Ajụjụ Nchọcha

1. Kedụ nsogbu dị iche iche olundị na-eweta mgbe a na-akụziri ụmụ akwụkwọ sekọndịrị asụsụ Igbo n'Isiala Ngwa?
2. Kedụ ka oge e wepụtara maka ọmụmụ asụsụ Igbo sị na-emetụta nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị n'Isiala Ngwa?
3) Kedụ ka ndị nkụzi amaghị akụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa?

**Nnyocha Edemede**

Nkuzi asụsụ kwesịrị ịdị na-agbanwe ka asụsụ n'onwe ya. Ebe asụsụ na-eto eto ma na-anwụkwa anwụ, ọ ga-aka mma ma a na-ewebata ụzọ ọhụrụ ndị e ji akụzi asụsụ n'ime Igbo Izugbe. Ndị odee akwụkwọ nwekwara oke nke ha iji olundị were ede asụsụ Igbo. Tupu odee edee akwụkwọ n'asụsụ Igbo, o kwesịrị ka onye ahụ nwee ezigbo amamihe banyere asụsụ ọ na-ede maka ya mana onye nchọcha chọpụtara na ọtụtụ ndị odee bụ ndị na-abụghị ọkammụta n'asụsụ Igbo, nke a mere ọtụtụ ndị na-ewebatakarị olundị n'akwụkwọ ha dere. Nne na nna na-etinye aka na nsogbu a site n'iji asụsụ Olu Ngwa were enye ụmụ ha ntụziaka n'ụlọ. Iji maa atụ, ọtụtụ nne na nna na-ejikarị olundị were akpanyere ụmụ ha ụbọbọ dị ka:

| **Olu Ngwa** | **Igbo Izugbe** |
|---|---|
| gwetara m ya | wetere m ya |
| gweta nya nọ | weta ya ebe a |
| mgba liile | mgbe ọbụla |
| otu mgba | otu oge |
| kati kati | ọsọọsọ |
| kwụsụ kwụsụ | nwayọ nwayọ |

Nke a na-ebute mgbagwoju anya n'ebe asụsụ na ọdịdị Igbo Izugbe nọ. Ya bụ na onye ọbụla bụ nwafọ Igbo kwesịrị itinye aka iji hụ na a kwalitere asụsụ Igbo, ka asụsụ na omenala Igbo hapụ ịnwụ maka onye asụsụ ya nwụrụ abụrụla onye nwụrụ anwụ.

**Usoro Nchọcha**

Onye nchọcha gbasoro usoro sọvee were mee nchọcha nke ga-enyere ya aka ịchọkọta data. Ụmụ akwụkwọ narị anọ bụ ụmụ akwụkwọ si n'ime ụlọ akwụkwọ anọ dị n'Isiala Ngwa ka e ji mee nchọcha a. Ha gụnyere ndị JSS 3, ndị SS 1, ndị SS 2 na ndị SS 3. Ụzọ klaasị anọ ndị a onye nchọcha kpọrọ aha bụ nnọọ ndị dị oke mkpa na nchọcha a n'ihi na ọ bụ ha bụ ndị nwere ike ịkọwapụta nsogbu ha na-enwe mgbe a na-akụzi asụsụ Igbo. Ụmụ akwụkwọ ndị a bụ ndị a họpụtara site n'enyemaka ndị nkuzi nọ n'ụlọ akwụkwọ ndị ahụ. Ha ji usoro tụmbọm tụmbọm họpụta otu n'ime mmadụ ise were họpụta ụmụakwụkwọ narị anọ.

Ngwa nchọcha bụ a jụọ a zaa nke e depụtara n'akwụkwọ ya na usoro a ga-eji zaa ajụjụ dị iri na abụọ nke na-enweghị nkewasị. Onye nchọcha kesara ụmụ akwụkwọ a jụọ a zaa gbadoro ụkwụ n'ajụjụ nchọcha. Ụmụ akwụkwọ gbasoro usoro Likert were zaa ajụjụ a. Onye nchọcha nwetara ọsịsa ngwa nchọcha site n'aka ụmụ akwụkwọ dị iche iche e kesara akwụkwọ a jụọ a zaa, oge ha zachara ajụjụ ahụ e gosipụtara ọsịsa o nwetere n'aka ụmụ akwụkwọ site n'usoro ngụgharị ugboro ugboro (frequency; counts) na pasenti.

**Nhazi ihe a Chọpụtara**

Nhazi a siri usoro a wee gaa: Nke mbụ bụ ajụjụ e kere ụmụ akwụkwọ dị narị anọ n'ọnụọgụgụ bụ nke ha zachara ma wehachitekwa ha azụ. Ọ bụ site n'ihe e nwetara n'aka ha ka onye nchọcha ji wee mee nhazi nchọpụta a.

**Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ:**
Kedụ nsogbu dị iche iche olundị na-enweta mgbe a na-akụziri ụmụ akwụkwọ sekọndịrị asụsụ Igbo n'Isiala Ngwa?
Tebụlụ nke mbụ: Nsogbu olundị na-eweta na nkuzi asụsụ Igbo

Itemụ 1

| S/N | | Ekwesiri m ike | Ekwere m | Ajụrụ m | Ajụsiri m ike | Nchịkọta |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Ụmụ akwụkwọ anaghị aghọtacha Igbo nke ọma oge e ji Igbo Izugbe akụzi asụsụ Igbo | 100<br>25% | 165<br>41.25% | 91<br>22.75% | 50<br>12.5% | 400<br>100% |
| 2 | Igbo Izugbe na-eme ka ụmụ akwụkwọ wepụ uche n'ọmụmụ asụsụ Igbo | 138<br>34.5% | 160<br>40% | 32<br>8% | 70<br>17.19% | 400<br>100% |
| 3. | Igbo Izugbe na-enye aka ka ụmụ akwụkwọ mụta Igbo nke ọma site n'isụ asụsụ Igbo | 150<br>37.1% | 170<br>42.1% | 54<br>13.5% | 26<br>6.5% | 400<br>100% |
| 4. | Igbo Izugbe na-adị mfe iji kụzie asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ karịa olundị | 80<br>20% | 240<br>60% | 58<br>14.5% | 22<br>5.5% | 400<br>100% |

Ajụjụ nchọcha nke mbụ gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta nsogbu dị iche iche olundi na-eweta n'ọmụmụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa.
Tebụlụ 1: Gosiri na, ụmụ akwụkwọ 240 ma ọ bụ 60% kwetara na e ji Igbo Izugbe akụzi asụsụ Igbo ka mma karịa olundị. Ụmụ akwụkwọ 170 ma ọ bụ 42.1% kwere na Igbo Izugbe na-enye aka ka ụmụ akwụkwọ na-amụta asụsụ Igbo Izugbe. Ụmụ akwụkwọ 165 ma ọ bụ 41.25% kwetara na ụmụ akwụkwọ anaghị aghọtacha asụsụ Igbo nke ọma oge e ji Igbo Izugbe akụzi asụsụ Igbo. Ụmụ akwụkwọ 160 ma ọ bụ 40% kwetara na Igbo Izugbe na-eme ka ụmụ akwụkwọ wepụ uche na ọmụmụ asụsụ site n'ihe a chọpụtara, olundị Isiala Ngwa na-egbochi nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa.

**Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ:**

Kedụ ka ihe a na-akụziri ụmụ akwụkwọ n'Isiala Ngwa siri daba n'ogo ụmụ akwụkwọ ahụ nọ.
Tebụlụ nke abụọ: Ihe a na-akụzi ọ dabara n'ogo ụmụ akwụkwọ nọ.

**Itemụ II**

| S/N | | Ekwesiri m ike | Ekwere m | Ajụrụ m | Ajụsiri m ike | Nchịkọta |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 5. | Onye nkuzi anaghị akọwa nkuzi ya n'Olu Ngwa anyị. | 120<br>20% | 126<br>31.5% | 48<br>12% | 106<br>26.5% | 400<br>100% |
| 6 | E ji olu ndị Ngwa dee akwụkwọ anyị. | 98<br>24.5% | 83<br>20.75% | 60<br>15% | 213<br>53.25% | 400<br>100% |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 7. | Onye nkuzi anaghị ewebata ọmụmaatụ nke anyị maara maka ya. | 210<br>52.5% | 100<br>25% | 75<br>18.75% | 15<br>3.75% | 400<br>100% |
| 8. | Onye nkuzi anyị na-ajụ ajụjụ ma ọ na-akụzi asụsụ Igbo. | 130<br>32.5% | 56<br>14% | 50<br>12.5% | 164<br>41% | 400<br>100% |

Ajụjụ nke abụọ gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta ka ihe a na-akụziri ụmụ akwụkwọ n'Isiala Ngwa siri daba n'ogo ụmụ akwụkwọ ahụ nọ. Tebụlụ 2: Gosiri na ụmụ akwụkwọ 213 maọbụ 53.25% jụsiri ike si na e jighi Olu Ngwa dee akwụkwọ ha. Ụmụ akwụkwọ 210 maọbụ 52.5% kwesiri ike na onye nkụzi anaghị ewebata ọmụmaatụ ma ọ na-akụzi asụsụ Igbo. Site n'ihe a chọpụtara na tebụlụ a, e jighị ọmụmaatụ doro anya bụ nnọọ nsogbu n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'Isiala Ngwa. Maka nkuzi na-ebido n'ihe dị mfe banye n'ihe tara akpụ ka nghọta dị mfe.

**Ajụjụ Nchọcha nke atọ:**
Kedụ ka ndị nkuzi amaghị akụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa? Tebụlụ 3: Ka ndị nkuzi amaghị akụzi si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo

**Itemụ III**

| S/N | | Ekwesiri m ike | Ekwere m | Ajụrụ m | Ajụsiri m ike | Nchịkọta |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 9. | Onye nkuzi anyị amaghị asụsụ Igbo Izugbe | 27<br>6.75% | 50<br>12.5% | 207<br>51.75% | 116<br>29% | 400<br>100% |
| 10 | Onye nkuzi anyị bụ onye na-eji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo | 56<br>14% | 48<br>12% | 164<br>42% | 132<br>33% | 400<br>100% |
| 11. | Onye nkuzi anaghị akọwa nkuzi ya n'Olu Ngwa anyi. | 74<br>18.5% | 226<br>56.5% | 40<br>10% | 60<br>15% | 400<br>100% |
| 12. | Onye nkuzi anyị kwesịrị iji Olu Ngwa na Igbo Izugbe akụzi | 199<br>49.75% | 45<br>11.25% | 50<br>12.5% | 6<br>1.5% | 400<br>100% |

Ajụjụ nke atọ gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta ka ndị nkụzi amaghị akụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa. Tebụlụ nke atọ na-egosi na ụmụ akwụkwọ 226 maọbụ 56.5% kwere na ndị nkuzi anaghị akọwa nkuzi ha n'Olu Ngwa. Ụmụ akwụkwọ 207 maọbụ 51.75% kwere na onye nkuzi ha amaghị asụ Igbo Izugbe. Ụmụ akwụkwọ 199 maọbụ 49.75% kwesịrị ike na onye nkuzi ha kwesịrị iji olu Ngwa na Igboizugbe akụzi asụsụ Igbo. Ụmụ akwụkwọ 164 ma ọ bụ 42% jụrụ na onye nkuzi ha bụ onye na-eji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo. Site n'ihe a chọpụtara na tebụlụ a, e nweghị ndị nkuzi a zụrụ azụ n'ịkụzi asụsụ Igbo sokwa adọghachi nkuzi asụsụ Igbo azụ n'Isiala Ngwa.

**Nchịkọta ihe a Chọpụtara**

- Onye nchọcha chọpụtara na Olu Isiala Ngwa metụtara asụsụ Igbo Izugbe aka ebe ọ dị ukwuu, nke mere na Igbo Izugbe na-anyụ ka ọkụ n'obodo a.
- Ndị Ngwa anaghị asụrụ ụmụ ha Igbo Izugbe n'ụlọ
- Ụmụakwụkwọ nọkọọ ha na-eji Olu Ngwa eme mkparịta ụka.
- Ndị nkuzi ejighị ọmụmaatụ doro anya akụziri ụmụ akwụkwọ asụsụ Igbo.
- E nweghị ndị nkuzi a zụrụ azụ maka ịkụzi asụsụ Igbo Izugbe na-adọghachi nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe azụ n'Isiala Ngwa.

**Ntụziaka**

- Ndị ọchịchị Abịa Steeti ga-ahazi ọmụmụ ihe maka ndị nkuzi asụsụ Igbo ka ha mata ụzọ ka mma iji kụzie asụsụ Igbo.
- A ga-ewe ndị nkuzi gụrụ maka asụsụ Igbo n'ọrụ ka ha na-akụzi asụsụ Igbo Izugbe n'ụlọ akwụkwọ.
- A ga-enye ohere agụmaakwụkwọ n'efu ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo
- Ndị nne na nna ga na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo Izugbe n'ụlọ ka ha mụta asụsụ a.

**Nchịkọta na Mmechi**

Asụsụ bụ ihe kachasị mkpa na ndụ mmadụ, e wepụ asụsụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya agaghị adị ire. Otu njirimara mmadụ bụ asụsụ, ya mere o ji dị mkpa na a ga-eji asụsụ Igbo Izugbe na-akụziri nwata asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. E nwere ọtụtụ olundị n'asụsụ Igbo, ọtụtụ olundị ndị a mere ka e nwee ọtụtụ nsogbu na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo nke Isiala Ngwa so n'otu mpaghara ala Igbo ndị olundi ha dịwapụrụ iche n'asụsụ Igbo Izugbe. N'ikpeazụ, a chọpụtakwara ihe ndị bụ nsogbu olundị nyere nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'Isiala Ngwa. Ọ dịkwa mkpa ịmata na Olu Isiala Ngwa kpuchiri ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'ụlọ akwụkwọ ndị a.

**EDENSIBIA**


Agbedo, U.C. (1991). *Linguistic Correction of Social Differentiation in Enugu Ezike Speech Community.* Unpublished M.A. Thesis U.N.N.

Anozie, C.C. (1999). *Linguistiks Sayensị Asụsụ.* Nsụkka: Fulladu Publishing Company.

Emenanjo, E.N. (1978). *Elements of Modern Igbo Grammer.* Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjọ, E.N. (1985). 'Preface 2' in *Ọkaasụsụ Igbo. Metalanguage Incorporating Recommendaiton of the Igbo Standardization Committee of the Society for Promoting Igbo Language.* Varsity Industial Press.

Federal Republic of Nigeria (2004). *National Policy on Education* (rev.) Lagos: NERDC Press.

Forth, G. (1970). *Piaget for Teachers.* Englewood Cliffs. N.J. Pren

Stonehill Green, Westlea & Fuller D.D. (1979). *Good News Bible.* Devterocanonical Aprocrypha Amerion Bible Society.

Mbah, B.M. and Mbah, E.E. (2001). Topic in Phonetic and Phonology. Contribution from Igbo
Nsukka A.P. Express.

Nwadike, I.U. (1998). *Nka na Usoro Nkuzi Igbo.* Ịfụnanya Publishers. Nsukka: Naijirịa.

Nwozuzu, G.I. (2005). Lecture Notes on Study of Dialectology. Department of Linguistics, University of Nigeria: Nsukka.

Ohiri-Aniche, O. (2004). *Parents Choice of Language to be first acọuired by Children in Lagos Metropolis, Nigeria.* A Paper Presented at the 24th West African Language Congress, University of Ibadan.

Okoro, L.C. (2004). *Mkpanaka Onyenkuzi.* Owerri: Divine Mercy Publishers.

Oluikpe, B.O. (1976). *Igbo Transformational Syntax: The Ngwa Dialect Example.* Onitsha: Africana Publishers.

Oparah, C.E. (2009). Amụmamụ Igbo na Agamniihu Ala Igbo in *Opiike.* A Journal of Igbo Language and Culture Vol. 1 No 1.